*International Journal of Arts, Languages and Business Studies (IJALBS), Vol.8; February, 2022; pg. 455 - 461*

# ACHỤMNTA AKỤNAỤBA NA NJIKỌKA N'OGE UGBU A: NSOGBU NA OLILEANYA YA NYE NDỊ NTOROBỊA.

**GLADYS IFEOME UDECHUKWU (Ph.D)**
**Ngalaba Amxmamx Igbo, Afrika Na Kqmunikeshqn.**
**Nnamdi Azikiwe University Awka, Anambra State, Nigeria.**

**&**

**VIVIAN ONYINYE OKOYEUZU.**
**Ngalaba Amxmamx Igbo, Afrika Na Kqmunikeshqn.**
**Nnamdi Azikiwe University Awka, Anambra State, Nigeria.**
**onyinyeokoyeuzu@gmail.com.**

**ỤMỊ EDEMEDE**
*Achụmnta akụnaụba bụ otu ihe gbara mkpọrọgwụ na ndụ ndị Igbo ọ kachasị n'okpuru ọ chịchị Njikọka na Steeti Anambara nke dị n'akụkụ ọwụwa anyanwụ Naịjirịa. Ndị Igbo nọ na mpaghara Njikọka bụ ndị Chineke kesiri ike ma were akpụkpọ aka na ọgụgụ isi chọọ ha mma . Ha kwenyere n'agbambo n'uzo pụrụ iche n'ihi na mmadu ekwesịghị ịnọ nkịtị , ya mere e ji ekwu sị "Ngana kpuchie ite, agụụ ekpughee ya"Ọzọkwa , "Ọnye rụọ n'anwụ , o rie na ndo". Mgbe gboo, ọkpụrụkpụ ụzọ ndị pụtara ihe ndị mpaghara Njikọka si achụ nta akụnaụba bụ site n'ọrụ ugbo,ịkpụ ụzụ ịkpa ihe ọkpụkpa na ụmụ ọrụ aka ndị ọzọ . O nwekwara ọtụtụ ụzọ ndị ọzọ ha si akpata akụ , dị ka, ịkụ azu, ịkpụ ụzụ , ịkpa enunu, igbu akwụ, ịwa eze, ibi ugwu, ikwe akwa nakwa ọrụnka ndị ọzọgasị. Usoro achụmnta akụnauba ndị Igbo bi n'okpuru ọchịchị Njikọka n'oge gboo bụ ụzọ doro ọhaneze anya, nke na-eweta ogologo ndụ na ahụike ma na-enyekwa mmadụ obi ruru ala nakwa afọ ojuju. Ikpata akụ na nghọta ha abụghị tigbuo, zọgbuo.N'oge ugbu a achụmnta akụ adịghịzị ka e chere. ịchụnta ego na-ewetazi ọtụtụ ihe mgbu na ihe ọjọọ dị iche iche. Achụmnta akụ na-ewetazị ọnọdụ ihere, nkolopu obi na ọnwụ ike n'ezinụụlọ nakwa n'obodo dị iche iche dịgasị na mpaghara Njikọka. Ndị mmadụ, ọkachasị ndị ntorobịa na mpaghara Njikọka ejighịzị ezi akọnauche na ezi obi Chineke nyere ha wee na-achụ ego. Nke a mere na ọtụtụ na-adaba na nsogbu dị iche iche . Nchọcha a bụ ohere nwanchọcha ji were gosipụta ụzọ dị iche iche ndị Igbo tụmadị ndị ntorobịa Njikọka sizi achụ nta akụ n'oge ugbu a na nsogbu dị iche iche si na ya apụta. Nwanchọcha gbara mbọ tulekọ rịta usoro achụmnta akụ n'oge gboo nakwa n'oge ugbu a na Njikọka. Nwanchọcha gbara mbọ na nchọcha a site n'itụnye aro ya gbasara usoro ziri ezi e si achụ nta akụ . A chọpụtara na n'ezie ụzọ ndị Igbo ọkachasị ndị ntorobịa Njikọka na-agbaso n'achụmnta akụnaụba n'oge a dịwaga iche na nke gboo; a chọputara na e nwere ọtụtụ ihe kpatara ụzọ ndị a e sizi achụ nta akụ n'oge a , ma chọpụtakwa na e nwere ọtụtụ nsogbu si n'ụzọ achụmnta akụ ndị a apụta. Ihe a chọpụtara na nchọcha a ga-enye nnukwu aka ịgbaziri ndị Igbo niile tụmadị ndị na-etolite etolite ụzọ ziri ezi ịgbaso n'ịchụ nta akụ iji belata oke nsogbu dị iche iche na-adapụta n'ịkpa akụ n'ụzọ ezighị ezi.*

## OKWU MMALITE

Mba na agbụrụ dị iche iche nwere omenala ha nke na-achịkwa akparamagwa ha na usoro obibi ndụ ha nakwazị nke ha ji eme ka mba ha bụrụ nke a haziri nke ọma. Omenala agbụrụ ọbụla nwere ngalaba nke na-ahụ maka achụmnta akụnaụba na usoro e si akpata akụnaụba. Ndị isi ojii Afịrịka nke ndị Igbo so na ya bụ ndị Chineke kesiri ike ma werekwa ihe dị iche iche ha ji achụ nta akụnaụba wee gọzie ha. Ebe ọ bụ na nkụ dị na mba na-eghere mba nri, ndị Igbo nwere ụzọ dị iche iche ha si akpata akụ n'oge gboo nke bụ ụzọ

ọhaneze nabatara. Mgbe ezi dị n'ukwu ụkwa, ndị Igbo bụ ndị kwenyesiri ike n'ihe gbasara agbambọ n'ụzọ ziri ezi.Ha kwenyere na ọ bụ mkpụrụ ọnye kụrụ ka ọ ga-aghọrọ . N'oge ahụ , nwafọ Igbo ahụtaghị ịnọ nkịtị dị ka ezi akparamagwa. Site na mgbe gboo ruo oge ugbu a, e ji agbambọ wee mara ndị Igbo. Naanị ihe dị iche n'agbambọ mgbe gboo na nke oge ugbu a bụ usoro ya bụ agbambọ si apụta ihe. N'oge gboo, ndị Igbo na-achụ ego n'ụzọ ziri ezi ma na-enwekwa a]ụrị na afọ ojuju, ọ nweghị ihe dị ka tigbuo ma zogbuo n'ịchụ nta akụnaụba. Ma n'oge ugbu a ọnọdụ achụmnta akụnaụba agbanweela nke ukwuu nke na ọtụtụ ndị mmadụ nwere ego ga-esozikwa na ndị a na-enyocha ma aka ya adịkwa ọcha. Ndị ntorobịa ejighizị ndidi na ịdị uchu achụta akụ. Oke ọchịchọ , anyaukwu na obi ọkụ bụzị isi sekpụ ntị n'ihe gbasara achụmnta akụnaụba n'oge ugbu a. Ndị ntorobịa anaghịzị achọ akụnaụba ji nwayọọ abawanye

Njikọka bụ otu n'ime okpuru ọchịchị a hụtara na mpaghara Steeti Anambara. E nwere obodo dị iche iche dị n'ime ya bụ okpuru ọchịchị ha gụnyere; Nimo, Enugwukwu, Nọfịa, Enugwuagịdị, Abagana na Abba. Ha nwere usoro obibi ndụ ha nke achụmnta akụnaụba sokwa na ya. Ha bụ ndị e ji oke ịgba mbọ wee mara. Ndị Njikọka bụkwazị ndị maara omenala Igbo nke ọma ma na-ezipụtakwa ya n'ebe ọ dị ukwuu. Otu n'ime usoro ha si ezipụta ya bụ ọmenaala bụ site n'ịchụta akụnaụba. Ederede a gbadoro ụkwụ n'igosipụta usoro achụmnta akụnaụba ezighi ezi nke ndị ntorobịa Njikọka na-etinye aka n'ime ya. Ọ gakwara n'ihu ịgwa ọhaneze ụfọdụ ntaramahụhụ nke na-eso ndị na-etinye aka ha n'ihe ọjọọ naanị maka ịkpata ego nke ụwa a. Nchọcha gosiri usoro ndị Igbo nọ na mpaghara Njikọka si achụta ego n'oge gboo bụ usoro tọrọ atọ nke ọhaneze nabatara nke ọma. Usoro a bụ nke ga-enye nwafọ Igbo ọbụla ezi ọnọdụ nakwazị obi añụrị. Akụnaụba e nwetara n'ụzọ dị mma ga-anọ ogologo oge bụrụkwa nke e nwere ike ịhanye n'aka ndị ezinaụlọ maọbụ ikwunaibe. Mmmadụ chọọ irite uru n'akụ a kpara n'ụzọ dị mma , onye ahụ agaghị adanye na nsogbu maọbụ nwụọ onwụ ike. Ndị Igbo bụ ndị ghọtara mkpa ọ dị ịchụta ego nke ọma ka ala ghara itigbu mmadụ. Onye kpara akụ n'ụzọ dị mma ga-enwe ogologo ndụ, ahụ isi ike na udo nke mmụọ makana mgbe mmadụ tinyewere aka n'ịkpata akụ n'ụzọ dị njọ , onye ahụ enweghị ike ịñụ mmiri tọgbọ iko. Onye tinyere aka n'ihe ọjọọ maka ịkpata ego ga na-anọ n'ọgbaghara oge niile, ihe ọjọọ dị iche iche ga na-emekwazị na ndụ ya. Akụnaụba bịara n'ụzọ dị njọ ga-ala n'iyi , ọ gaghị abụkwa nke a ga-eji mepụta ihe bara uru . Ndị mmadụ na-asọ kwazị onye tinyere aka n'ihe ọjọọ wee kpata ego nsọ ,n'ihi na ọhaneze ndị Igbo kwenyere na ọ bụ arụ ka ọ na-eme.

**NKỌWA AKỤNAỤBA NA USORO ACHỤMNTA AKỤNAỤBA**

Akụnụba pụtara enwemenwe dị iche iche nke ndị mmadụ ji ebi ndụ ha. Ọ bụ ihe akụakụ na ihe enweenwe nke mmadụ nwetere site n'ịgba mbọ , n'aka nke ọzọ ọ bụkwazị ihe mmadụ nwetere site n'ọkpụkpụ aka ya. Ọzọkwa bụ na mmadụ na-enweta akụ site n'ihe o ritere n'ekpe . Akụnaụba abụghị naanị ego ka ọ metụtara, ọ nwekwara ọtụtụ ihe ndị ọzọ ndị Igbo ga-enwe nke gosiri na mmadụ nwere akụnaụba, nke ọ ga-abụ mmadụ nwee, a sị na ọnye ahụ bụ ọ garanya,dị ka Ụzọchukwu na Ewelukwa (2008) siri kọwapụta ; ndị Igbo kewara akụnaụba ụzọ abụọ , akụnaụba sitere na ndị a na-ahụ anya na akụnaụba ndị a naghị ahụ anya. Akụnụba ndị ahụ anaghị ahụ anya na-abụkarị nke ahụ mmadụ nwetere site n'ekerechi., di ka ahụike, ọgụgụ isi, ọkpụkpụ aka, amamihe na nghọta, mma, akọnuche. Akụnụba ndị ahụ a na-ahụ anya ma metụkwa aka gụnyere ndị anyị na-anọzị n'ụwa wee na-akpakọta ma na-ahazikwa dị ka anyị na-ebi ndụ n'ụwa.; dị ka ego, ezinaụlọ bara ụba, inwe ala ebe dị iche iche ma n'ezi ma n'ụlọ , akụnaụba sitere na mmepụta ngwaahịa dị iche iche, akụnaụba sitere n'osisi dịgasị n'ọhịa ebe a ga-enweta ọ jị, mahoganyị, manaanị… , akụnaụba sitere na nzisa ozi, akụnụba sitere na mmiri, ịnwe enunu dị ka ehi, ewu, ọkụkọ , ezi, oke oyibo, atụrụ… ịnwe ọtụtụ osisi bụ ndị na-enye ego dị ka ọjị, ube, oroma, nkwụ, ngwọ ,ụkwa, akị bekee nakwazị akụnaụba sitere na ngwupụta ala. Ndị be anyị na-enweta ọtụtụ ihe site na ngwupụta ala dị ka unyi ala, ọlaọcha, ọlaedo, igwe, nnu, simentị, laịmstonu dgz… Ọ bụ ihe ndị a bụgasị akụnaụba ndị ahụ a na-ahụ anya ma nwekwaa ike ịmetụ ha aka, ụmụ mmadụ ji aka ha akpatara onwe ha ụdị akụnaụba dị etu a, dịka Ụzọchukwu na Ewelụkwa si kọwaa.

Achụmnta akụnaụba bụ usoro dị iche iche mmadụ na-agbaso mgbe ọ na-achụta ihe dị iche iche e ji ele ndụ anya na ihe mmadụ ji ebi ndụ. Ọ bụ ọrụ ndị mmadụ na-arụgasị maka ịnweta ego. Ha na-eme nke a site n'iji ike ọkpụkpụ aka, uche Chukwu nyere ha nakwazị ngwaọrụ dị iche iche dị mkpa maka ụdị ihe a chọrọ ịrụpụta.

Ndị Igbo na-ejikwazị ihe ekerechi dị iche iche achụnta akụnaụba n'ụzọ dị iche iche. N'ịkwado nke a , Agụ-Ọfọdile(2004:113) n'uche nke ya na-ekwu na akụnaụba bụ ike mba ụwa ji adị ndụ , ma na-echere onwe ha ,wee na-abawanye. Obodo enweghị akụnaụba nke aka ha na-abụ ohu nye obodo ọzọ n'ihi na ha ga na-ejere ha ozi n'ụzọ pụrụ iche. Akụnaụba gụnyere ihe ndị mba ọbụla na-emepụtara onwe ha nke na-abara ha uru ma bụrụkwa nke ndị mba ọzọ na-enwetekwa n'aka ha. Akụnaụba bụkwazị ihe mmadụ nwere nke o ji akwado ndụ ya nakwazị nke o ji akwalite usoro obibi ndụ.

Igwe na Ezemudo (1989:86) hụtara achụmnta akụnaụba dị ka iji usoro e si enweta ego gbasoo ihe ndị ahụ na-enye ego iji wee chụta ya bụ akụnaụba. Na nkọwa nke ha, etu ihe e ji enweta ego siri ju eju bara abara ka ụzọ e si enweta ego sikwa jukwa eju bara abara, ihe dị nnukwu mkpa n'ịchụ nta akụnaụba bụ ịdị uchu n'ọrụ . Ha gakwara n'ihu kwue na onye ngana riri isi anaghị enwe ego, n'ihi na ọ bụ ka a bịa mere na awọ epughị ọdụ.

Ibe (1989:86) n'aka nke ya gosiri na achụmnta akụnaụba bụ itinye ego n'ihe ndị na-enye ego ma ọ bụ n'ihe ndị ahụ ga-eweta ego, ya bụ iji ego achụ nta ego.

Ogbalụ(1979) kọwara na achụmnta akaụnaụba bụ usoro ndị Igbo si e ji ihe dị iche iche dị na gburu gburu ha nakwazị ike ọkpụkpụ aka ha ma ọgụgụ isi ha wee na-nweta ihe ndị e ji eme ka ndụ na-aga n'ihu. Ọ gakwara n'ihu ịkọwa na ihe gbasara achụmnta akụnaụba bụ ihe gbara mkpọrọgwụ na ndụ ndị Igbo bụrụkwa ihe na-egosi ihe kpatara ndị Igbo ji eme ọmenaala iri ekpe na ike ekpe n'ihi akụnaụba bụ ihe na-apụta ihe na ndụ ndị Igbo.

Osuagwụ(1978) kọwara na achụmnta akụnaụba bụ mmadụ iji onyinye ekerechi Chineke nyere ya wee mepụta ihe bara uru maka obibi ndụ. Ọ gakwara n'ihu kọwaa na ihe ọbụla a ga-emepụta n'igbaso usoro dabara adaba wee chụọ nta akụ ga-abụrịrị ihe ga-abara ọhaneze uru.

Ekwealọr (1998) N'uche nke ya na-egosi na ndị Igbo bụ ndị Chineke kesiri ike ma bụrụkwa ndị e ji agbambọ wee mara n'ụzọ pụrụ iche. Na nkọwa ya, ndị Igbo gbasoro ụzọ dị iche iche iji wee chụọ nta akụ dị ka, ịkpa elulu, ịkụ azụ, ịzụ ahịa, ịkpa ihe ọkpụkpa, ịtụ ihe ọtụtụ, ikpụ ihe, ịkwa nka dgz…ma nke kacha pụta ihe n'oge gboo bụ ịkọ ugbo. Ọ kọwara na usoro ndị Igbo gbasoro wee chụọ nta akụnaụba bụ ya mere ndụ ha ji bụrụ nke a haziri nke ọma.

## USORO ACHỤMNTA AKỤNAỤBA N'OGE GBOO NA NJIKỌKA

N'okpuru ọchịchị Njikọka n'oge gboo, ha nwere ụzọ dị iche iche a haziri nke ọma ha si achụ nta akụnaụba . Ụfọdụ n'ime ụzọ ndị ahụ gụnyere :

**Ọrụụgbo**----Ọrụ ugbo dị ka ọrụ ndị Igbo bụ ozurumba ọnụ, ọ bụ otu nnukwu ọrụ aka pụtara ihe e ji mara ndị Igbo mgbe gboo. Ọ snweghị onye ọrụ ugbo dịịrị iche, onye ọbụla bụ nwafọ Igbo na-akọ ugbo. N'ala Igbo, ọrụ ugbo dị ka ọrụ aka ndị Igbo na-ewetara ha akụnaụba n'ụzọ pụrụ iche. Ọ bụrụ na mmadụ banye n'ihe gbasara ịkọ ugbo, ọ ga na-ewetara ya ihe o ga-eji na-akwalite usoro obibi ndụ ya n'ụzọ dị iche iche.

Mgbe a na-achọ ịmalite ọrụ ugbo nke afọ ọbụla na Njikọka a na-emere ya nkwadebe dị iche iche. A na-asụchasị ahịhịa gbaa ya ọkụ . A na-ahapụkwa ahịhịa ụfọdụ n'ubi maka ịkwalite ọ rụ ugbo. Na Njikọka , ọrụ ugbo na-abụ oge udummiri , dịka ọ dị n'ala Igbo ndị ọzọ a na-ejikarị ngwaọrụ dị iche iche dị ka mma, ọgụ, nkata na ụkpa aga ugbo . Ọrụ ugbo bụ nke a na-ejekarị n'ụtụtụ nakwa na mgbede. A na-akọ ọtụtụ ihe n'ugbo dị ka, ede, ọka, akwụkwọ nri,ji, adụ, ọ na, akpụ, akịdị dgz… A na-echukwa ọrụ ugbo echukwa, nke a na-amalite ozigbo a kọchara ihe n'ubi. N'ọrụ ugbo, a na-agbambọ megide mbize n'ụzọ dị iche iche , a ga-adọbakwa osisi e yinyere uwe dị ka mmadụ iji chụọ anụmanụ ọsọ . Ndị Njikọka na-agbambọ tinye ọgwụ ahịhịa dị iche iche ya na nri ala a kpọro maniu iji mee ka owuwe ihe ubi dị mma. Owuwe ihe ubi na-ebido ma ọnwa asatọ gachaa. N'ekpemekpe ọdịnaala ndị Igbo , ọ bụkwa n'oge a ka ha ji ekele ala bụ chi nke mere ka ihe ha kọrọ n'ubi dị mma. Orụ ugbo bara nnukwu uru n'etiti ndị Njikọka , ọ na-enye ha ego , ọ na-ewetara ndị Igbo obi añụrị na afọ ojuju, ọ na-eme ka nri baa ụba n'ala Igbo, ọ na-ewetara ha ọrụ n'ụzọ dị iche iche nke ga-eme ka mmadụ ghara ịnọ nkịtị, a na-eji ihe e wetara n'ugbo achụ nta ego. Ọrụ ugbo mere ka Njikọka bụrụ ebe ndị mmadụ na-abịa na-eweta ọtụtụ ihe bara uru maka ndụ ha.

**Inwe Ala**—Inwe ala bụ otu n'ime ụzọ ndị Njikọka si achụnta akụnaụba n'oge gboo. Ala nwere ike ịbụ nke otu onye nwe n'onwe ya; bụ nke o ritere n'ekpe ma ọ bụ nke o goro ego n'aka mmadụ. Ala nwekwara ike ịbụ nke ezinụụlọ , ogbe ma ọ bụ obodo nwekorọ ọnụ . Etu ọ bụla ala siri dị , ọ dị mkpa ịkọwapụta na n'oge gboo na Njikọka, onye nwere ala na-eji ya akpata akụnaụba n'ụzọ dị iche iche. N'aka nke ọzọ , mgbe mmadụ nwere ala , ala ahụ ga na-amịtara ya mkpụrụ ọma n'ụzọ dị iche iche. Mgbe gboo, mmadụ nwekwara ike ịnye mmadụ ala ya ka ọ were ya kọọ ugbo ma kwụkwaa onye ahụ ụgwọ . Nke a pụtara na ọ nwere ike iji ego ma ọ bụ akụkụ sitere n'ala ahụ wee kwụọ ya ụgwọ . Ihe nke a gosiri bụ na ndị Igbo ọkachasị ndị Njikọka si n'ịnwe ala wee na-achụnta akụnaụba , ma na-enweta ihe ha ji akwalite usoro obibi ndụ ha n'ụzọ dị iche iche.

**Ikụ Azụ---**Ikụ azụ bụ otu n'ime ọrụ e ji mara ndị Igbo nke na-enye akụnaụba nke ukwuu. N'akụkụ ala Igbo dị iche iche ebe e nwere mmiri, ịkụ azụ bụ ọrụ kacha apụta ihe n'ebe ụmụafọ Igbo bigasị n'ọdọ mmiri nọ . Ikụ azụ bụ akaọrụ e ji mara ndị mba mmiri dị ka Otuọcha, Anam. Nzam, Ugwuanaọcha, Agụleri na Ụmụleri. Onye ọbụla nwere ịkụ azụ dịka akaọrụ ya ji ya enweta akụnaụba nke ukwuu, onye ahụ kwesịkwara ịmata etu esi egwu mmiri. Ọnye Igbo gbuo azụ, o righị ya eri, ọ ree ya eree nweta ego ọ ga-eji baara onwe ya uru. Ha nwere ngwa dị iche iche ha ji akụpụta azụ n'ime mmiri ma ọ bụ n'ohimiri ebe a na-akụ azụ. Ngwa dị ka ukpoo, aga, ibolo , nkọeriri , obere ụgbọmmiri na ọkolọtọ na-enyere ha aka ịkụ azụ n'oge gboo. A na-ejikwazị ugbu, arụ na ahịhịa ndụ egbu azụ. A na-akụ azụ dị na mmiri dị iche iche n'udummiri na n'ọkọchị, ọ nweghị iwu ji mmadụ mgbe o ji gaa ọrụ ịkụ azụ . E nwekwara ụdị azụ ndị a na-egbu dị ka; azụ ndụ, okporokoto, asa, azụisi na ndị ọzọ . Oge ụfọdụ n'ebe ndị ọzọ n'ala Igbo, a na-anọ n'ugbo kụọ azụ site n'ịgbara ya ogige wee gwukwaa ọkụkọrọ ebe mmiri azụ ga-anọ. Ndị Njikọka sikwa n'ụzọ dị etu a na-achụta ego nke ha ji enyere ndụ ha aka. Ha na-esikwa na ya enweta ihe oriri ha ji azụ ahụ ha nke ọma. Ikụ azụ baara ndị Igbo oke uru n'ihi na ọ na-ewetara ọha mmadụ ọrụ pụrụ iche nke ha ji aba uru. Ọ na-emekwa ka aha mba na-ada ụda n'ụwa.

**Inwe Mkpụrụosisi na-amị ego ----** N'okpuru ọchịchị onye nwere mkpụrụosisi ndị na-amịta mkpụrụ dị ka oroma, mango, ụdara, unere ,ube, gova, popo, nkwụ na ngwọ ,ogbono na akị bekee na-enweta ego na ha, ọ na-eme nke a site n'ịghọrọ ha ma ha mịchaa mkpụrụ ha, ree ha n'ahịa ma nwete ego. Ọzọkwa bụ na onye nwere ọtụtụ mkpụrụosisi nwekwara ike ịre ha ma were ha wee mee nkụ oge ha kpọrọ akpọ . Osisi ọjị na-enye ego n'ụzọ dị elu, oge ọ dị ndụ ma ọ bụ oge ọ kpọrọ nkụ. Ezemudo(1989) n'uche nke ya na-ekwu na achụmnta akụnaụba n'ụdị ịnwe mkpụrụosisi bụ otu ụzọ doro anya ndị Igbo si enweta ego kemgbe ha malitere biwe ndụ ha. Ọ na-akọwapụta na ọ bụladị ndị nna nna anyị ha , ndị anyị siri n'aka ha nwetacha ala, na-echekwaba osisi dị iche iche ha nwegasịrị ma na-aghorọ kwa uru dị na ya wee na-achụta akụnaụba.

**Ikpa Anụmanụ-------**Nke a bụ ụdị ụzọ ndị Njikọka si akpata ego n'oge gboo. Ndị Njikọka na-amata anụ ọbụla ha chọrọ ịkpa nke ọma, mara etu e si echekwa ya ma marakwa ụzọ ọ kwesịrị iji ya wee chụta ego. Ewezuga ịkọ ugbo, onye chọrọ ịkpa anụmụnụ ga-akwado ụdị ọru a n'ụzọ pụrụ iche, ọ ga-ahazi ebe ọ ga-edobe ha nakwa ụdị nri kwesịrị ekwesị nke ha ga na-akpara ha. Ikpa anụmanụ na-ewetara ụmụafọ Igbo nọ na Njikọka ihe ha ji atụ ndụ mmanụ n'ụzọ pụrụ iche , ọ bụkwa nke a mere na ha ejighị akaọrụ a egwuri egwu. Enunu na-esokwa n'ihe mmadụ na-erite n'ekpe dịka akụnaụba ma ọ bụ ihe a na-eke n'ekpe n'ala Igbo.

**Ikụ mkpụrụosisi ----**Na mpaghara Njikọka , ọ bụghị ihe ọ hụrụ na e nwere osisi dị iche iche na-eweta ego. Ụdị osisi ndị a bụ nke ndị Igbo na-akpachapụrụ anya n'ụzọ pụrụ iche n'ihi nnukwu uru ọ na-abara ha.Osisi dịka osisi nkwụ. Ọjị, osisi ngwọ , afara, akparata, ojoroko,mahogany, manaani dgz…Na nkọwapụta nke Agụ-Ofọdile(2004); mgbe mmadụ nwere ukwu osisi ndị a , onye ahụ abụrụla ọgaranya n'ihi na akụkụ niile dị n'osisi ndị a bụ uru. Ma e gburu ya egbu ma ọ kwụ akwụ naanị uru ka ọ bụ. Ihe dịka osisi nkwụ, igu ya na-enye azịza, nke e nwere ike ịre n'ahịa, mkpụrụ ya na-amịta mmanụ na akị nke e ji enwetakwa ego. Ogwe ya na-abụkwa ihe e ji arụ ụlọ ,ọ na-agbata mmanya nkwụ nke ndị mmadụ na-egoro añụ.N'aka nke ọzọ , osisi ngwọ , igu ya na-abụkwa ihe ewu na-ata, a na-ejikwa ya ekpụchi elu ụlọ .

**Itụ Use---**Nke a bụ akaọrụ ndị Igbo nọ na mpaghara Njikọka. Ọ bụ ụzọ ndị Igbo na-esi eji agụba wee na-ewepụ ọbara ọjọọ n'ahụ ha. Ọ nwere ndị ọ bụ akaọrụ ha n'ụzọ pụrụ iche bụkwa nke ha ji akpata ego ha ji azụ onwe ha. Na Njikọka, ebe a na-atụ use n'ahụ mmadụ bụ ebe zara aza, ma hapụkwa ịgbapụta ọbara ma ọ bụ abụ. Ndị Igbo na-akpọ onye na-atụ use ọ bịa were agụba nke o ji bụrụ okaibe n'ọrụ ya , tụọ onye ahụ ihe toro ya n'ahụ nke achọ ghị ịgbaze agbaze. Ọnye na-atụ use bụ ya maara ebe ọ ga-atụ use n'ahụ mmadụ. Mgbe otụ use mechara nke a , aga-enye ya ego kwesịrị ọrụ ya. Itụ use socha n'otu ụzọ doro anya dabara adaba ndị Igbo si achụnta akụnaụba ma bụrụkwa usoro ha si akwalite usoro obibi ndụ ha.

**Idụ Akanya---** N'oge gboo na Njikọka , ụlọ a na-enwe mgbe ahụ bụ ụlọ akanya. Akanya bụ akwụkwọ osisi ngwọ ka e ji adụkọ ya, ọ nwekwara ọtụtụ ụmụafọ Njikọka ọkachasị ụmụnwoke bụ ndị ji ya akpata ego n'oge ahụ. Ọ bụ akanya ka ndị Igbo ji ekpụchi elu ụlọ ha, tupu gbamgbam wee pụta, ọ bụ nke a kpatara ụmụnwoke n'ala Igbo mgbe gboo ji ya achụta ego.Ọ rụ a scha n'ihe na-enye ndị Igbo akụnaụba n'ụzọ bara uru ,ha na-esite na ya na-aba ọ garanya makana ọ bụghị mmadụ niile nwere nka ịdụkọta akanya .

**Itụ Osisi---**Nke a bụ ụdị akaọrụ nke ndị Igbo na-eji osisi wee wepụtachaa echiche mmadụ na ọ dịdị ụwa, ndị Igbo na-eji ịtụ osisi mere ọrụ ha ji achụta akụnaụba n'ụzọ pụrụ iche. Ụfọdụ n'ime ihe ndị e ji ịtụ osisi e nweta bụ ekwe, ikenga, ọja, ọkpesị, ikoro,ihu mmọnwụ, ikwe ,odo, oche , ịgba, ọkwa ọjị, okpokoro, akpati dgz… Ihe ndị a na-esi n'ịtụ osisi e nweta bụcha ihe ahụ e ji ebi ndụ, ọ bụ ya kpatara o ji bụrụ na ndị Igbo sikwa n'ịrụpụta ihe ndị ahụ achụta ego.Na nkọwa basden (1989), ndị Igbo na-ejikarị osisi atụchapụta ihe dị iche iche nke ha ji ebi ndụ ha. Ọ bụ nke a gosiri na ịtụ osisi bụ ọrụ ndị Igbo na-arụ nke ọma nke ha na-esitekwa na ya achụta akụnaụba n'ụzọ ziri ezi.

**USORO ACHỤMNTA AKỤNAỤBA NA NJIKỌKA N'OGE UGBU A NA NSOGBU YA NYE NDỊ NTOROBỊA**

**ỊRE ALA E NWEKỌRỌ ỌNỤ---**N'okpuru ọchịchị Njikọka nke dị na steeti Anambara, ọ bụ nnukwu ihe ịgba anyammiri na ọtụtụ ndị ntorobịa na-abanye n'ọrụ ịchụnta akụ site n'ịga n'ihu ree ala ụmụnna, ala ezinaụlọ ma ọ bụ ala e nwekọrọ ọnụ n'obodo. Nke a bụ ihe ọtụtụ ụmụ nwoke na-emekarị ọkachasị mgbe ha na-achọ ego mbute. Ha anaghị achọ
Ịleba anya n'ihe gbasara ala dịgasị n'obodo ha nakwa ọnọdụ ala ọ bụla nwere, kama ha na-eji aghụghọ na anyaukwu ree ala, ma were ego si na ya pụta . Ọtụtụ n'ime ụmụ okorobịa na-ere ya bụ ala bụ ndị okenye dorola aka na ntị ka ha si n'okwu ala ha amaghị maka ya pụta ma n'ihi obi ọjọọ dị n'ịchụta ego nke ụwa a, ha anaghị ekweta. Ụfọdụ ụmụ okorobia anaghị eche maka ihe ọjọọ ga-eme n'ọdịniihu. Ọnọdụ ire ala na-ebute oke ọgbaghara, iwufu ọbara, ịkpọ asị, ebubo ụgha, ntọrị mmadụ , ịgwọ nsị nakwazị ihe ọjọọ dị iche iche n'obodo nakwazị n'ezinaụlọ . Ụdị ọnọdụ a na-emekwa na e resịa ala niile, n'ọdịniihu agaghịzị ahụ ebe a ga-eli mmadụ, ọ nweghịzị ebe a ga-arụnwu ụlọ , ọzọkwa bụ na mmadụ agaghị enwezi ike ịchekwa akụ nna ya nke ọma.

**NTỌRI MMADỤ ---**Itọrị mmadụ bụ iji aka ike naghapụ mmadụ ohere ịgaghari agagharị nakwazị ohere ịme ihe ọ kwesịrị ịme na ndụ ya. A na-atọrị mmadụ maka ọtụtụ ọnọdụ dị iche iche nke bụ na onye tọọrọ mmadụ ibe ya nwerịrị ihe ọ na-achọ n'aka onye ọ tọọrọ . Mmadụ na-atọrọ mmadụ ibe ya mgbe e nwere ọnọdụ ndọrọndọrọ ọchịchị, mgbe a na-azọ ala, ibute ego n'aka ezinaụlọ onye a tọọrọ , igbochi mmadụ ịnwe ohere ikwu eziokwu maka ikpe e nwere n'ụlọ ikpe, ịga n'ihu n'akaọrụ ya, imegide onye a tọọrọ na ezinaụlọ dgz… ọnọdụ ndị a nakwazị ọnọdụ dị iche iche ndị ọzọ na-eweta mmadụ ịtọrọ mmadụ ibe ya. Nke a bụ usoro ọjọọ e si achụnta akụnaụba bụ nke na-eweta ndaghachi azụ n'obodo dị iche iche dị na Njikọka. Ọ na-emekwa ka e nwee oke iro na mkpọrọmasị n'etiti ndị mmadụ.

**IJI ỌWAOZI NTANEETI ZUO OHI---** Ọ bụghịzị ihe ọhụụ na n'oge ugbu a teknụụzụ anyị nwere nke anyị sitere n'aka ndị ọcha nweta na-ewetazịrị anyị ọnọdụ ịgba anya mmiri. Ntaneetị bụ ụwa ọzọ ndị mmadụ nọ n'ime ya na-ebi ụdị ndụ dị iche iche nke gụnyere izu ohi. Ụdị ohi ụmụ okorobịa na ụmụ agbọghọbịa na-eji ntaneetị ezu oge ugbu a abụghị ihe mmadụ ga-eji ọnụ wee kọwapụta . Ọ bụ ụdị ọnọdụ jọkarịrị udela na njọ ma sikarịa nkakwụ n'isi na ọtụtụ ndị ntorobịa na mpaghara Njikọka jizi izu ohi mere ọrụ ha ji ebi ndụ. Nke kachasị njọ bụ na ọtụtụ ndị ntorobịa jizi izu ụdị ohi a wee na-etu ọnụ n'obodo nke na ọ nweghị ihe ọjọọ

dį n'įghọrį mmadụ nara ya akụnaụba ya. Ụfọdụ jizikwu ya anya isi n'ebe ndį na-agbambọ n'ụzọ ziri ezi na n'ebe ndį ntorobịa na-ata ahụhụ nọ . Nke kachasį ewute bụkwa na ndį na-eme ihe a na-edubanye ọ tụtụ ndį mmadụ n'įmụta ka e si eme ya. Ndį a na-edubanye ga-akwụ nnọọ nnukwu ụgwọ ka ha wee mụta etu e si ezu ohi. Ọ dįkwa ntį njọ na ndį na-eme ihe a ji nnọọ ike na ebube na-egosipụta mmadụ nwere ike ibi ndụ ya etu masįrį ya. Ndį nchekwa iwu obodo bụ ndį kwesįrį į na-atụ ndį ntorobịa nga mkpụrụ ọka na-etinyekwuzį aka n'ime ya site n'įnara ego ma kpuchie nnukwu ihe ọjọọ . Onye nke a hụrụ ọ na-akọwa na ya *na-atụ ọrụ, na-atụ ngwaahịa, na- atụ mgbada, na- arụ ezi oyibọ ... nke a bụ asụsụ ha ji akọwapụta ụdį ọrụ ha na-arụ nke ha achọghį ka ndį oge ntį mara nke ọma.* E wee jụọ "kedụ ihe bụ įtụ ọrụ ma ọ bụ įtụ mgbada" ? Ọnye į na-ajụ ga-akaba ahụ gwa gį kwụọ ụgwọ ka į mara ihe a na-arụ ka a rụbanye gį n'ọrụ ogbe. Nke a wee bụrụzịa isi sekpụ ntį n'usoro achụmnta akụnaụba ndį ntorobịa oge ugbu a. O nweghį ụdį mpụ na aghụghọ anaghį eme na ntaneetį maka įchụta ego. Ọ bụladį mgbe ndį okenye chọrọ įnye ndụmọdụ ma ọ bụ ụfọdụ ndį ntorobịa ibe ha chọrọ įnye ndụmọdụ, ha na-agbambọ kụchapụ onye ahụ n'akụkụ ma hụta ya dį ka onye iro ma ọ bụ onye nnọchi agamnihu ha. N'ihi akpįrį ego ọtụtụ ndį agbọghọbịa anaghįzį achọ įmata ihe nwoke na-arụ tupu a lụwa ya. Ihe dį mkpa bụgodu na o ji ego, nke ka njọ bụ na ụfọdụ ndį nne na nna anaghį achọpụta ihe ndį chọrọ įlụ nwa na-arụ. Ụdį ọnọdụ a na-eme ka e nwee ọgbaghara n'obodo. Ọ na-egbochi agamniihu n'obodo ma na-ewtakwazį ndaghachi azụ mmadụ. Ọ na-eweta ọnwụ ike na ọ nwụ ihere n'ebe ndį na-eme ụdį omume a nọ . Akụnụba e ji ụdį ohi a wee nweta anaghį abawanye nke o ji adį egologo. Ọ naghį abụ ụdį nke e nwere ike irite n'ekpe.

**ỊGWỌ ỌGWỤ EGỌ** --- Nke a bụ ụdį ọnọdụ a na-ahụkarį n'ime ndį ntorobịa ọkachasį ndį nke kwenyere na ha agbaala mbọ etu ike ha hadebere. Ọtụtụ ndį ntorobịa na-eji ndį mụrụ ha gwọọ ọgwụ maka įnweta ego . Ha na-eme nke a iji kwalite ọnọdụ ha n'obodo. Na Njikọka ,nke a bụ otu n'ime ihe ọjọọ nke a na-ahụta n'ebe ndį ntorobịa nọ bụ nke ha na-eme iji wee nweta akụ ha agaghį adį ndụ wee rie nke ọma. Ọtụtụ ndį nne na nna anaghį achọ įmata ebe ego ụmụ ha si apụta ya mere ndį ntorobia a ji enwe obi e ji agwọ ọgwụ ego. Ụfọdụ anaghį achọ įmata ihe ga-abįara ha n'ọdįniihu. Naanį ihe ha chọrọ bụ ka ha nwete ya bụ ego riwe ya ebe mmadụ niile ga-anwụrįrį anwụ. Ụfọdụ ndį ntorobịa na-ejikwa mpako , nganga na anyaukwu banye n'įgwọ ọgwụ ego ka ha ghara įga rụwa ọrụ ga-egbu oge n'įnye ha ụdį ego ha chọrọ . Ụdį ọnọdụ igwọ ọgwụ ego a na-ewetara ndį mmadụ ọnwụ ike, ọgbaghara, įgba ara, ihe mberede okporoụzọ , ọrịa ọjọọ dgz… Ezinaụlọ ọ bụla nwere onye a maara dįka onye ọgwụ ego, ọtụtụ ndį mmadụ na-asọ ndį ezinaụlọ ahụ, ọ na-ewetakwara ezinaụlọ ahụ ndaghachi azụ, ọ na-emekwa ka a ghara įnwe mbawanye mmadụ n'ụdį įmụ nwa makana oge ụfọdụ onye gwọrọ ọgwụ nwere ike were akụkụ ahụ ya wee gwọọ ọgwụ. Ọzọkwa bụ na ihe na-eso ọgwụ ahụ ga-abụ na ọnye ahụ agaghį abanye n'ọnọdụ alụmalụ ma ọ bụ mụta nwa.

**ỊZỤ NA ỊRE ỌGWỤ IKE**---- N'ihi ụdį ihe ọjọọ įzụ na įre ọgwụ ike na-ewetara anyį n'obodo, ụdį azụmahịa abụrụla usoro ọjọọ nke obodo na-agbarụrụ ihu nke ndį ntorobịa Njikọka n'oge ugbu a sizi achụnta akụnaụba. Ọ bụ eziokwu na ndį Njikọka weere azụmahịa dį ka ezigbo ọrụ mana ọ bụghį ihe niile ka mmadụ kwesįrį iji wee tụọ mgbere ahịa. Ọgwụ ike bụ ụdį ọgwụ ọjọọ dį iche iche ndį mmadụ na-etinye n'ime ahụ ha nke abụghį site na ntụziaka dibịa, nke ha na-añụ iji na-enye onwe ha añụrį, dį oke elu, afọ ojuju na mkpọfe uche bụ nke na-ewetara ha ọnwụ ike na įkpa ajọ agwa nakwazį ọnọdụ ọjọọ dį iche iche. Itinye ọgwụ ike n'ahụ na-ewetara mmadụ oke nrįanrịa nke enweghį ngwọta nakwazį oke ihe mgbu n'ọdįniihu. A na-enwekwazį nke a kpọrọ anwụrụ ike dį ka igbo, kokįnụ , hiroyinụ sk, sisha dgz… Ụfọdụ ndį ntorobịa na-etinye aka n'įzụ, įre nakwazį įnụ ọgwụ ike anaghį achọ įge ndį okenye nakwzį ndį ntorobịa ndį ọzọ anaghį eme ụdį omume ahụ ntį. Ha na-ahụta ha dį ka ndį ọjọọ na-egbochi ọganiihu mmadụ. Ndį dį etu a anaghį amata na nwata na-egbu mma n'elu okwute mara na ajįlįja okwute ga-abanye ya anya. Izụ ahịa ọgwụ ike na-eme ka a na-akwalite ihe ọjọọ n'obodo ; ka ndį ajọ mmadụ na-bawanye. Ụdį azụmahịa na-eweta nkwafu ọbara n'ụzọ dį iche iche. Ọ bụ ndį na-eji ọgwụ ike achụ nta akụnaụba na-abanye ndį na-eme ụdį ajọ omume a aja n'ukwu. N'aka nke ọzọ , ọ bụkwazį ihe mwute na ihe obi mgbawa na ụfọdụ ndį isi nọ na gọọmentį na-enyere ha aka site n'izochi ndį e jidere n'ụdį mgbere a nakwa site n'įzụrụ ọgwụ ike n'aka ha. Ụdį ọnọdụ a aghaghį įweta ndaghachi azụ na ihe ọjọọ n'obodo. Inụ ọgwụ ike na-ebutere mmadụ isi mgbaka, įyį ara, idina nwanyį n'ike, ọnwụ ike nakwazį įje nga mkpụrụ ọka.

**MMECHI**

Achụmnta akụnaụba bụ ihe bara oke uru na ndụ anyị bụrụkwa omenala gbara mgbọrọgwụ na ndụ ndị Njikọka nakwa ndị Igbo; akụnaụba bụ ihe anyị ji ele ndụ anya , ihe anyị ji akwalite usoro obibi ndụ anyị nakwazị ihe e ji atụ ndụ mmanụ; ọ bụ ihe dị oke mkpa n'ime ndụ anyị na-ebi ; mana ihe dị mkpa mgbe nwa okorobịa ma ọ bụ agboghọbịa pụtara maka ịchụta akụ nke ụwa a, bụ onye ahụ ịkwụba aka ya ọtọ gbasoo usoro ọhaneze nabatara wee chụọ nta akụnaụba ka ọ wee nwee obi añụrị na afọ ojuju , ka akụ ahụ wee bụrụkwazịa nke ga-atọ atọ . Mgbe ọbụla mmadụ tinyere aka n'ihe ọjọọ maka ịchụta ego, ọnye ahụ aghaghị iji isi ya buru ihe ọ bụla ga-abịakwute ya. Ndị Igbo na-ekwu n'ilu ha na "isi kote ebu, ọ gbakasịa ya ahụ", ihe dị mkpa bụkwa mmadụ iji ezi akọnụche ya , ngwaọrụ kwesịrị ụdị ọrụ ọ chọrọ nakwazị ihe ekerechi ndị ọzọ wee chụọ nta ego ka ọ nwee ike ñụọ mmiri togbo iko n'oge akpụ n'ọnụ nakwazị n'ọdịniihu .

**EDENSIBIA**

gụ-Ọfọdile (2004) Asụsụ Igbo n'ụzọ dị mfe, Oyo State :Austin Modern Press
Basden George(1982) , Among the Igbos of Nigeria,Onitsha :University Publishing Company.
Betram I.N. Osuagwu (1982) Ndi Igbo na Omenaala ha ; Lagos; Macmillan Nigeria Publishers Limited,
Ekwealor C.C. (2010) : Omenaala na Ewumewu Igbo. Onitsha : Africana First Publishers.
Ezemudo R.M. (1989) Ọmụmụ asụsụ Igbo . Onitsha: Kawuriz and Manilas publishers
Epom ,U (2012). Wealth and Valuable Posessions . Lagos : Matag Printing
Eze , A (2012) .Corruptive Practices in Nigeria .Enugu : Format Publishers
Ezemọka A. na Anọzie C.C.(2016) Ọnọdụ Ugo, Enugu : Computer Edge Publish
F.C. Ogbalu (1979), Omenaala Igbo, Onitsha : Varsity Industrial Press,
Isichei , E. (1976), A History of the Igbo people ,London: Macmillan Press , 9.
Igwe (1989). Ọmụmụ asụsụ Igbo, Onitsha: Kawuriz and Manilas
Isichei. E. (1977). Igbo Worlds , London : Macmillan Publishers limited
Iwuagwu Obi (2008), Topics in Igbo economic system. Lagos : University Press
Uzochukwu na Ewelukwa (2008) , Nhazi asụsụ Igbo: A.C. Global publishing company Onitsha.